# MKPARỊTAỤKA JISỌS NA NIKỌDIMỌS

## Jọn 3:1-21; 7:45-53; 19:39, 40

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 29 - Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "N'ihi na Chineke huru uwa n'anya otú a, na Ọ nyere ọbuná Ọkpara Ọ muru náni Ya, ka onye ọ bula nke kwere na Ya we ghara ila n'iyi, kama ka ọ nwe ndu ebigh-ebi" (Jọn 3:16).**

**Ajụjụ Nke Nikọdimọs**

Ihe mbụ Nikọdimọs sịrị Jisọs bụ "Rabai, Ayi matara na I bu onye-ozìzí nke siworo n'ebe Chineke nọ bia: n'ihi na ọ digh onye ọ bula puru ime ihe-iriba ama ndia nke Gi onwe-gi nēme ma ọ buru na Chineke anọnyegh ya." Nke ahụ bụ nnọọ okwu anaeleghị anya na onye Farisi gaekwu. Ndị Farisi bụ ndị okpukpé nke oge Kraist, ma ha etufuworị Mmụọ nke Chineke, wee náefe Chineke náání n'ụdị na ememe dị icheiche. Mgbe Jisọs bịara ha jụrụ ịnabata Ya dịka Ọkpara Chineke dị nsọ, kama ha na agbalị mgbe dum ịchọta ihe ha gaeji taa Ya ụtá, nke kachasị n'ihe banyere Iwu ahụ.

Anyị pụrụ ịhụ Nikọdimọs, onye bụ kwa otù nime ndịFarisi, bụ nnọọ onye dị iche n'etiti ndịọzọ niile. O kwenyere na Chineke zitere Jisọs, o kwenyekwara n'iheịrịbaàmà dị icheiche nke O mere -- nke a bụ ihe ọtụtụ ndị náakpọ onweha ndị ụkọ taa náadịghị eme.

Nikọdimọs bụ onyeisi n'okpukpé ndị Ju, ya mere ọ dị ka ọ bụ iheịtụn'anya nye Jisọs mgbe Ọ hụrụ na ọ maghị ihe ịmụ mmadụ ọzọ pụtara. Chọọchị ha arapụwo ụzọ Chineke rue mgbe ha náamakwaghị ihe ọ bụ bụ́ inwe mgbanwe nke obi.

**Ọmụ́mụ́ Ọhụụ Ahụ**

Ọtụtụ mmadụ nọ taa n'ọnọdụ ahụ Nikọdimọs nọrọ. Ụmụmmadụ adịghị aghọtacha ihe ịnaekwu mgbe ị naekwuokwu banyere inwe nzọpụta. Ha naeche na mgbe ha sonyere otù nzukọ wee sị na ha kwere na Jisọs, nke ahụ agwụla ihe ha kwesịrị ime. Ọtụtụ ndịozi adịghị ekwusa na ụmụmmadụ aghaghị inwe nwute n'ihi mmehie ha, rapụkwa ha aka, ma kpee kwa ekpere rue mgbe Jisọs gbaghaara ha. Ọtụtụ mmadụ abụrụwo ndị náenwetaghị ihe ha lere anya ya mgbe ha sonyere otù nzukọ náechè na ndụ ha gaadị iche, ma kama nke a, ọ naachọpụta na ya na mmehie ndị ahụ o nwere na mbụ ka naagbarịrị mgbà. Ọ dịghị mgbanwe ọ bụla dị.

Ma eleghịanya Nikọdimọs ahụkwaghị ihe o lere anya ya, n'ihi na ọ naachọ eziokwu ahụ. Ma ihe ndị ahụ Jisọs gwara ya banyere ịmụ mmadụ ọhụụ bụ ihe ọ náanụbeghị mbụ. Ọmụ́mụ́ ọhụụ bụ nnọọ ihe ịrịbaàmà, Jisọs jikwara nwayọ kọwara ya nnọọ nkeọma. Ọ gwara ya na ọ bụghị n'ihe nke anụarụ -- apụghị ịmụ agadi nwoke ọzọ dịka nwa ọhụụ kama ọ bụ n'ihe nke imemmụọ; mgbanwe ahụ batara nime obi mmadụ. "Ọ buru na onye ọ bula di nime Kraist, ọ bu onye ekère ọhu: ihe ochie agasiwo; le ha aghọwo ihe ọhu" (2 Ndi Kọrint 5:17).

**Ihe Mmụọ ahụ Naalụpụta**

Jisọs gwara Nikọdimọs na ọ bụ ezie na ọ pụghị ịhụ mgbanwe ahụ mgbe ọ naeme, ihe ọ naalụpụta pụtara nnọọ ìhè dịka mgbe ifufe naefé n'elu osisi. Anyị nwere ike ịhụ ka akwụkwọ ya naeféghari; ọ bụrụ kwa na óké ifufe naefé anyị nwere ike ịhụ osisi ahụ ka eropụrụ ya site na mkpọrọọgwụ ya ma dọwasịkwa ya iberibe iberibe, ma anyị adịghị ahụ ifufe ahụ. Anyị nwereike ịmata na ikùkù ntà naekusa anyị n'iru; ayị nwereike ịhụ igweojii na mbara igwe, ka ifufe na enugharị ha; anyị nwereike ịhụ óké mmalimmiri ka ha naebili elu n'ókéosimiri; ma anyị adịghị ahụ ifufe ahụ nke náeme ka ha náenugharị. Anyị eleghịanya na anyị gaahụ ya -- ma otú ọ dị ọ dịghị onye ọ bụla nke náekwenyeghị na ifufe naefé náání n'ihi na ọ hụghị ya anya.

Ihe nzọpụta naalụpụta pụtara ìhè n'otùaka ahụ. Mgbe anyị naahụ́ onye náenweghị inyeaka dịrị ya, onye tụfuwokwara ihe niile n'ihi ndụ nke mmehie, ka ọ naabịakute Chineke ná nchègharị, wee malite n'oge ahụ gaa n'iru náadịghị añụbiga kwa manya ókè, kama ọ bụrụwo ezi nwa amaala onye náebi kwa ndụ eziokwu, anyị naesite na nke a mata na amụwo ya ọzọ. Anyị ahụghị mgbe Mmụọ nke Chineke batara, maọbụ mgbe Ekwensu gbapụrụ, ma anyị nwere nnọọ ike ịhụ́ mgbanwe ahụ.

Ọ pụrụ ịbụ na mmadụ ahụ bụ onye náeweiwe ọsọsọ. Ọ naeweiwe mgbe ọ naenwetaghị ihe ọ chọrọ. Mgbe azọpụtasịrị ya ndịenyi ya naahụta na ọ dịghị ewe kwa iwe ọzọ, ọ dịghị ese kwa okwu. Nke ahụ bụ otù nime iheọ́mụ́mụ́ ọhụụ ahụ naalụpụta, ọ bụ kwa ihe naapụta ìhè ọbụná dịka anaahụ́ osisi nke ifufe naeropụ site na mkpọrọọgwụ ya.

Mgbe onye mmehie naeji nwute dịka Chineke chọrọ bịkute Jisọs n'ihi mmehie ya, wee rịọ mgbaghara. Jisọs ewee gbaghara kwa ya, ọ ghọwọ onye amụrụ ọzọ. Agụụ mmehie niile na apụ, Chineke ewee nye ya ike ịga ma ghara kwa imehie ọzọ. Mgbe ọ bụla Jisọs nyere anyị iwu, Ọ naenye anyị ike ime ya. Mgbe Ọ gwara nwoke ahụ dara ngwụrọ n'Ọdọmiri Betsida, Ọ gwara ya ka ọ chịrị ute ya jègharịa. N'akwụkwọnsọ anyị naagụ na nwoke ahụ chịrị ute ya jègharịa; ya mere Kraist esitewo otú a nye ya ike ahụ ọ chọrọ. Mgbe emesịrị Jisọs hụrụ ya n'ụlọukwu

Chineke wee gwa ya ka ọ ghara kwa imehie ọzọ ka ihe jọkarịrị nke ahụ ghara ịdakwasị ya. Anyị hụrụ na Jisọs lereanya na ọ gaerube kwa isi n'iwu ahụ.

Eleghịanya ihe ndị ahụ Jisọs gwara Nikọdimọs gaemetụtawo yarị na mmụọ; n'ihi na mgbe emesịrị, mgbe ndị isinchụàjà na ndịFarisi naachọ ijide Jisọs igbu Ya, Nikọdimọs bịara ikwuchitere Ya ọnụ Ya site n'ịjụ ajụjụ sị "Iwu ayi nēkpe madu ikpé, ọ buru na o bugh uzọ nu n'ọnu-ya, we mara ihe ọ nēme?" Ndịnchụàjà mere ya ihe ọchị; ma ọ gụghị nke ahụ n'ihe, n'ihi na ọ matara na Jisọs mere ihe ziriezi, ọ chọkwara ka ọ hụ na ekpere ikpé ziriezi. Mgbe akpọgidesịrị Ya n'obe, ọ bụ kwa otù Nikọdimọs a wetara myrrh na aloes agwaraagwa, wee nye kwa aka iji nnọọ ezi ákwà ozù ya na ụdà ụtọ ndia kechie arụ Jisọs (Jọn 19:39, 40).

### Ajụrụ Ìhè

Ndị Ju naeseokwu mgbe dum banyere ụmụ ihe ntà dị icheiche, ha wee dị kwa ka ha amaghị na ha naesite n'ụzọ dị otú a náeme mmehie n'onwe ha. Ha so ná ndị Jisọs kwuru banyere ha sị na ìhè ahụ abịawo kwa n'ụwa ma n'ihi na ọlụ ha jọrọ njọ ha wee rọrọ ọchịchịrị. Ọ dịghị ndị kpukarịrị ha n'isi bụ́ ndị náachọghị ịhụ́ ụzọ. Jisọs bụrị Ìhè nke ụwa, nke naenwu n'ịma mma niile nke immmụọ Ya n'etiti ha; ma ha kpọrọ Ya asị n'ihi na ọlụ ha jọrọ njọ.

N'oge nke Jeremaia Chineke kwuru banyere mmehie niile jọgburu onwe ha nke anaeme n'ala ahụ sị "Ndim ahuwo kwa ihe di otú a n'anya." Ọ bụ nnọọ ihe jọgburu onwe ya icheta na ọtụtụ mmadụ naekwu na ha bụ́ ndị náesoụzọ Jisọs ma ha náahụ́ mmehie ha n'anya! Chee échìchè ikpè jọgburu onwe ya nke gaabịakwasị ndị nke Chineke mewooro óké ihe dị otú a, bụ́ ndi na-anọgide kwa ná mmehie ha, ha "ahuwo kwa ihe di otú a n'anya!"

### "Huru Uwa N'anya Otú a"

Onye ọ bụla nke mararị ihe ọ bụla banyere Baịbụl maọlị nwere ike ịgụ n'isi amaokwu Jọn 3:16. Okwu Chineke nke zuruezù ịzọpụtachasị ụwa niile dị nime amaokwu ahụ, Ọ bụrụ na ụmụmmadụ gaeme ihe dị nime okwu ahụ.

"N'ihi na Chineke huru uwa n'anya otú a …" Ị̀ kwụsiwo chee échìchè otú ịhụ́ anyị n'anya, ma anyị nwereike ịhụ́ ndị iro anyị n'anya dịka Chineke mere? Mgbe Ụmụ Israel, ndị Chineke rọpụtara, gbakụtara Ya azụ ha wee mee ihe óké mmebiiwu dị icheiche, Ọ sịrị, "Ọbu ihu-n'anya nke dị mgbe ebigh-ebi ka M'jiworo hu gi n'anya: n'ihi nka ka M'meworo ka ebere digidere gi" (Jeremaia 31:3).

Chineke hụrụ anyị n'anya nke ukwuu na O zitere ọbụná Ọkpara Ọ mụrụ náání Ya ka Ọ nwụọrọ anyị bụ ndị njọ; Jisọs hụzukwara anyị n'anya nke ukwuu na Ọ rapụrụ Ụlọ Ya maramma n'Eluigwe ebe ndị mmụọozi naetó Ya, wee bịa n'ụwa biri kwa n'etiti ndị mmehie ndị kpọrọ Ya asị. Ọ maararị na Ya aghaghị ịnwụọnwụ ihere n'eluobe iji kpuchie mmehie niile nke ụwa. "Ma Chineke nēme ka ihu-n'anya nke aka Ya n'ebe ayị nọ puta ìhè, n'ihi na mgbe ayi nọ nābu ndi nmehie, Kraist nwuru n'ihi ayi" (Ndi Rom 5:8).

Jisọs gwara ndị náesoụzọ Ya otù mgbe sị, "Ọ digh onye ọ bula nwere ihu-n'anya kari nka uku, na madu tọgbọ ndu-Ya n'ihi ndi-eyi-Ya." Ma ayị onwe-ayị bụrị ndịiro Chineke, ndị mmehie ndị náerubeghi isi nye iwu Ya dị icheiche, ma Kraist bịara nwụọ n'ihi anyị. Lee, ịhụn'anya dị ebube dị otú a!

Nime Akwụkwọozi mbụ nke Jọn ọ gwara anyị karịa banyere ịhụn'anya nke Chineke; "Lenu aha ihu-n'anya nka bu nke Nna-ayi nyeworo ayi, ka ewe kpọ ayi umu Chineke" (Jọn 3:1). Mgbe anyị bịara bụrụ ụmụ Chineke anyị na Kraist naeketakọ n'otuto ebighịebi (Ndi Rom 8:17).

Mgbe azọpụtara anyị, Chineke naetinye ịhụn'anya Ya nime anyị. Nime Ndi Galetia 5:22, 23, anyị naagụ banyere mkpụrụ dị icheiche nke Mmụọ Nsọ, ịhụn'anya bụ nke mbụ akpọrọ aha. N'ihi na ịhụn'anya ahụ dị nime anyị, bụ ìhè nime ụwa, náegosipụta ịhụn'anya Chineke ahụ. Mkpụrụ niile nke Mmụọ Nsọ dị mkpà ọ bụrụ na anyị chọrọ inwuru Jisọs : "Ihu-n'anya, ọñụ, udo, ogologo-ntachi-obi, obi-ọma idi-nma, ikwesi ntukwasi-obi, idi-nwayọ, imeru-ihe-n'òkè." Nwoke, nwanyị maọbụ nwatakịrị nke náamị mkpụrụ niile ndịa naebi ndụ mara nnọọ mma nke OnyeKraist, ma Jisọs kwa, "ihere ikpọ ha umu-nna Ya adigh-eme Ya."

### AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Jisọs Ọ̀ kọwaara nnọọ Nikọdimọs ihe ọ́mụ́mụ́ ọhụụ ahụ pụtara?
2. Òlee otú Nikọdimọs jiri nye aka n'òìlì Kraist?
3. Òlee ihe anyị náaghaghị ime ka anyị wee kwesị ịbà n'Elu igwe?
4. Kpọọ aha ụfọdụ "mkpuru" nke ndụ onye amụrụ ọzọ.
5. Chọpụta ihe akọrọ banyere agwọ ahụ nke eweliri elu nime ọzara.